# ỌCHỊCHỊ PUKU ARỌ NA IKPÉ IKPEAZỤ AHỤ

## Nkpughe 20:1-15.

### IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 465 - Nke NdỊ-etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ buru kwa na ahugh onye ọ bula ka edereri aha-ya n'akwukwọ nke ndu ahu, ewe tuba ya n'ọdọ ọku ahu" (Nkpughe 20:15).**

**Mmụọ ozi ahụ Ná-eji Mkpọrọ ahụ**

N'isi akwụkwọ a anyị na-agụ banyere óké ihe ebube ahụ niile Jọn hụrụ. Otù mmụọ ozi na-esi n'eluigwe rịdata, ná-eji mkpịsị ugodi nke abyss ahụ na óké mkpọrọ n'aka ya. O wee jide Ekwensu were mkpọrọ ahụ ké ya agbụ tụba ya nime abyss ahụ, mechie ya, káá kwa ya akàrà n'elu ya, ka o we ghara ịgbanarị ruo otù púkú (1,000) arọ.

N'ihe ọ̀mụ̀mụ̀ ndị gara aga, anyị amụwo na Ekwensu maliterer̀ị iduhie mmadụ siterị ná mmalite oge. O mere ka Adam na Iv rie mkpụrụ osisi ahụ n'Ogige Iden nke Chineke sịrị ha erila. Site n'ịnupụ isi ahụ, mmehie, nrịa nrịa, nsogbu na ọnwụ adịkwasịwo n'elu ụwa dum ihe ra ka puku arọ isii ugbu a.

**Setan, "agwọ ochie ahụ"**

Ọ bụ Ekwensu na eduhie mmadụ ka o mee ihe ọjọọ, ọ bụ ya na-eme ka ha nwee obi abụọ n'ebe Chineke nọ ghara kwa ikwenye Okwu Ya; ọ bụ kwa ya na-alụ ọlụ nime onye ọ bụla ịnwa ịdọkpụrụ ya jee ọkụ-ala mmụọ ma emesịa. Onye nke Kraist ọ bụla ga-akpachapụ anya ichebe mkpụrụobi ya, n'ihi na onye iro ahụ na-agbalisi ike ime ya ka ọ tufuo nzọpụta ya. Ọ bụ onye nduhie na onye ụgha. Ka anyị ghara kwa ige ntị n'ụgha ya niile. Ike Chineke dị ukwu karịa dị kwa ike karịa ike niile nke Ekwensu, Ọ pụkwara idebe anyị ka anyị ghara kwa ịda, ma ọ bụrụ na anyị chọrọ ka edebe anyị. "Onye nēmeri gēketa ihe ndịa" (Nkpughe 21:7).

Site na mgbe Ekwensu meriri Adam na Iv, ọ na-alụsị ọlụ ike ná-anwudo kwa ndụ ọtụtụ ndị mmadụ karịa, ọ bụ kwa ya mere n'ụbọchị ikpeazụ ndịa ọnọdụ ihe na-adịkwa njọ karịa. Ọchịchị obodo dị iche iche (Govment) na-ewezuga Kraist ná-aché iru n'ebe "agwọ ochie" ahụ dị, ya na ike ya.

Anyị mụkwara n'ihe ọ̀mụ̀mụ̀ gara aga na Kraist na ndịnsọ Chineke ga-abịaghachi n'ụwa ná-anọkwasị n'elu ịnyịnya ọcha ịchị eze n'elu ụwa otù puku arọ. Oge a bụ nke dị n'etiti oge Óké Mkpagbu ahụ na oge ikpé ikpeazụ ahụ ya na óké Ocheeze Ọcha ahụ. Nke a bụ mgbe dragọn ahụ, "agwọ ochie ahụ, nke bụ Ekwensu na setan" ga-anọ n'agbụ mkpọrọ ná Abyss ahụ, udo ga-adị kwa n'elu ụwa otù puku arọ.

**Ọchị chị Otù Puku Arọ Ahụ**

Nke a ga-abụ oge mgbe Kraist "nēme ka agha nile kwusi rue nsọtu uwa" (Abù Ọma 46:9). Ndị bị n'ụwa alụwo agha site na mmalite oge, kama ana-agwa anyị na oge ọchịchị otù puku arọ ahụ "ha gākpugharị kwa mma-agha-ha nile ka ha buru mma-oge, na ube-ha nile ka ha buru mma-ikwa-osisi: mba agagh-ebuli mma-agha megide mba, ha agagh-amuta kwa agha ọzọ" (Aisaia 2:4; Zekaraia 9:10). N'oge ahụ mmadụ niile ga-abịa n'okpuru ọchịchị Kraist, á ga-eme kwa ka ha nwere onweha site n'ọrịa niile na nrịa nrịa niile. "Agemeghe anya ndi-ísì, ọ bu kwa nti nke ndị nti chiri ka agēmeghe. Mgbe ahụ ka onye-ngwụrọ gamali dika ele, ire onye-ogbi gēti kwa nkpu ọñụ" (Aisaia 35:5, 6).

Ihe niile ga-adị mma, makwa ezi mma n'oge udo na ọñụ ahụ. Mmiri ga-agbawapụta kwa n'ọzara ya na òkókó osisi, ọdọ mmiri ga-adị kwa n'ọnọdụ ala kpọrọ nkụ. Anụọhịa kwa ga-amakpu n'udo ná-akpaghị kwa ike. Agwọ, na anụọhịa wolf, na ọdụm, na ehi, na anụọhịa bear, ga-atakọrịta nri ná-enweghị mmekpá arụ. Ọbụná ọdụm na-achụ ntá anụ ná-egbu kwa ụmụ anụọhịa, ga-ata kwa ahịhịa dịka ehi, dịka a gwara anyị. Ọbụná ụmụ amụrụ ọhụụ na ụmụntakịrị gana anọ n'udo site n'ihe ize ndụ ma ọ bụ mmerụ arụ n'ebe anụọhịa ndịa nọ.

Añụ agaghị àgbá; rose agaghị enwe kwa ogwu ga-adụ anyị na mkpịsị aka; osisi vine na-amị berry agaghị akawasị kwa anyị aka ma ọ bụ dọwasịa uwe anyị ọzọ. Ndị isì ga-ahụ́ ụzọ; ndị ntị chiri ga-anụ kwa ihe; ndị ogbi ga-ekwu okwu. Ọ dịghị ihe ga-eme ihe ọjọọ ma ọ bụ bibi kwa "n'ugwu nsọm nile, ka JEHOVA siri" (Aisaia 65:25). Anyị gụkwara na nime Jerusalem "Amá nile nke obodo ahụ gējuputa kwa n'umu-ntakiri ndikom na umu-ntakiri ndinyom nēgwuri egwu n'amá ya nile" (Zekaraia 8:5).

**Ọdọ Ọkụ̀ Ahụ**

Ma mgbe oge ahụ ga-agwụsị, á ga-atọpụ setan n'ụlọ mkpọrọ ya, nime ime abyss ahụ, ọ ga-agbalị kwa ibu agha ukwu ọzọ. Kama atụbara ya nime ọdọ ọkụ na brimstone, ebe anụọhịa ahụ na onye amụma ụgha ahụ nọ kwa, á ga-emekpa kwa ha arụ ehihie na abalị ruo mgbe niile ebighị ebi. Anyị matara na anụọhịa ahụ abụghị onye ọzọ ma ọ bụghị onye ahụ Ná-emegide Kraist. (Lee Ihe ọ̀mụ̀mụ̀ 413.)

**Óké Ocheeze Ikpé Ahụ Dị Ọcha**

Mgbe nke a mesịrị Jọn hụrụ óké Ocheeze dị Ọcha, ọ hụkwara ndị nwụrụ anwụ ka ha bịara n'iru Chineke wee guzoro n'ebe Ocheeze ahụ ka ewe kpe ha ikpé. Ọ hụrụ ka asaghere akwụkwọ dị iche iche, asaghekwara Akwụkwọ nke Ndụ, ewe kpe ndị ahụ ikpé site n'ihe edererị n'akwụkwọ ahụ dị iche iche, dịka ọlụ niile ha si dị. Ílì niile meghere, ọbụná ndị nwụrụ ná mmehie ha ọtụtụ arọ gara aga, site ná mmalite òkìkè ụwa, na ndị ahụ arụ ha furu efu n'osimiri, ma ọ bụ arụ ndị esurere ọkụ na ndị ebibiri ebibi. Ka emere ka ha niile si n'ọnwụ bilie guzoro kwa n'iru Ocheeze ahụ ka ewe kpee ha ikpé. Ewe tụba ndị ahụ niile á na-ahụghị aha ha nime Akwụkwọ nke Ndụ nime ọdọ ọkụ ahụ ebe atụbawororị setan na Onye ahụ Ná-emegide Kraist, ka ewe mekpá kwa ha arụ ehihie na abalị ruo mgbe niile ebighị ebi.

**Aha Anyị N'Akwụkwọ Nke Ndụ Ahụ**

Ihe dị anyị mkpà taa bụ ịgbá mbọ ịhụ́ na edere aha anyị n'Akwụkwọ nke Ndụ. Ọ bụrụ na azọpụtabeghị gị, bịakwute Jisọs taa; rịọ Ya ka Ọ gbaghara mmehie gị; dozie ihe ọjọọ ọ bụla imeworo megide ibe gị. Mgbe ịmatara na Jisọs azọpụtawo gị, chọọ Ya n'ihi odudo nsọ na ọwụwụ mmiri nke Mmụọ Nsọ. Mgbe ahụ ná-esogide Jisọs nso nso; n'ekpe ekpere ná-agụ kwa Okwu ahụ; hụ kwa na-ewepụghị aha gị n'Akwụkwọ nke Ndụ ahụ.

**Ndụ ma ọ bụ Ọnwụ**

Ụzọ ndụ ebighị ebi na ụzọ ntaram ahụhụ na ọnwụ ebighị ebi dị n'iru anyị. Anyị nwere Baịbụl taa, nime ya kwa anyị pụrụ ịmụ otú anyị pụrụ isi bie ndụ anyị kwa ụbọchị ka anyị wee soro ná ndị ahụ edererị aha ha n'Akwụkwọ nke Ndụ. Mata kwa na amaokwu nke 12 na 13 na-agwa anyị na ékpèrè ndị ahụ nọ n'iru Ocheeze ahụ ikpé "dika ọlu nile ha si di." O, lee otú anyị kwesịrị ịkpachapụ anya bie ndụ anyị! Lee ka anyị kwesịrị ichebe ndụ anyị na ire anyị n'ikwu okwu, ka anyị ghara ime ihe ga-ewute Onyenweanyị n'ihe ọ bụla. Ọ dịghị mgbanarị apụrụ ịgbanarị ụbọchị ahụ ndị ntà na ndị ukwu na ndị ọgaranya na ndị ogbenye niile ga-eguzoro n'iru óké Ocheeze Ikpe ahụ na n'iru Onye ahụ ná-anọkwasị n'elu Ya.

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Òle aha ọzọ eji mara setan?
2. Ogologo mgbe ra añaa ka ekèrè ya agbụ nime abyss?
3. Kọwa otú ọnọdụ ụwa ga-adị n'oge ahụ.
4. Ònye ga-achị ụwa n'oge ọchịchị otù puku arọ?
5. Òle ndị ga-eguzo n'iru Chineke n'ikpe n'óké Ocheeze ikpé Ọcha ahụ?
6. Site na gịnị ka ekpere ndị mmadụ ikpé?
7. Gịnị ga-abụ ntaram ahụhụ nye ndị ahụ á na-edeghị aha ha n'Akwụkwọ nke Ndụ ahụ?
8. Gịnị bụ ụgwọ ọlụ aga enye ndị ahụ edere aha ha n'Akwụkwọ nke Ndụ?